# lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



## Nwa-eze aghọrọla onye ọzụzụ-atụrụ

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: M. Maillot; Lazarus Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
E. Frischbutter; Sarah S.

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.



Otu ụbọchị, Mosis hụrụ ka onye Ijipt na-eti onye ohu Hibru ihe. Ọ bụ ezie na a zụlitere Mosis ma kụziere ya ihe dị ka onye-isi n'obí Fero, ya onwe ya bụkwa onye Hibru.

Ọ ghaghị inyere ohu ahụ aka.

N'ileghari̩ anya ka o̩ hu̩ na o nweghi̩ onye na-ele ya anya, Mosis wakporo ohu ahu̩ obi tara mmiri.  N'agha ahu̩ nke sochiri, Mosis gburu onye Ijipt.  Ngwa ngwa, o lie ozu ya.



N’echi ya, Mosis hụrụ ka ndị Hibru abụọ na-alụ ọgụ. Ọ gbalịrị ịkwụsị ha. Otù onye n’ime ha wee si, “Ì ga-egbu m dika i gburu onye Ijipt?” Ụjọ tụrụ Mosis. Onye ọbụla amarala banyere ụnyaahụ. Fero makwaara. Mosis aghaghị ịgbapụ. Ọ gbagara obodo a na-akpọ Midian.



Ma mgbe Mosis na-ezu ike n'akụkụ otu olùlù-mmiri, ụmụ-ndinyom asaa nke onye-nchụ-àjà Midian wee gbajue ite-mmiri ha nke-ọma, maka inye ìgwè ewu na atụrụ nke nna-ha.



Ndị ọzụzụ atụrụ ndị ọzọ gbaliri ịkwapụ ha n'akụkụ.
Mosis wee chebe ma nyere ụmụ nwaanyị ndị ahụ aka.





“Unu lọtara ngwa ngwa!” ka Reuel, bụ nna ụmụ agbọghọ ahụ kwuru. Mgbe ụmụ agbọghọ ahụ kọwara ihe kpatara ya, ọ sịrị, “Kpọtara m nwoke ahụ ebe a.” Mosis wee biri na nke Reuel, onye a na-akpọkwa Jetro.

E mesịa, Mosis lụrụ ada Reuel.



N'Ijipt, Fero anwụọla. Ndị nke Chineke, bụ́ ndị Hibru, ka bụkwa ndị ohu. Ka ha na-asụ ude n’ime ahụhụ! Lee ka ha si ekpe ekpere ka Chineke

nyere ha aka! Chineke nụkwara ekpere ha.

Mosis amaghi nke ahụ, ma Chineke zubere iji ya nyere ndị-Hibru ahụ nọ n'ohu aka. Afọ iri anọ agafeela kemgbe Mosis hapụrụ Ijipt. Ọ bụ ya na-azụ atụrụ Reuel. Ma ọ ga-abụrịrị na agụụ ndị ya n'Ijipt na-agụ ya.



Otu ụbọchị, Mosis hụrụ otu ọhịa dị nso ka ọ na-enwu ọkụ.  Ma ọkụ ahụ ereghị ọhịa ahụ.  Mosis kpebiri ịchọpụta ihe kpatara ya.



Ka Mosis na-abịaru nso, Chineke si n’ọhịa kpọkuo ya. "Moses!” “Lee m,” ka Mosis kwuru. Chineke kwuru, sị, “Abịarula nso. Yipụ akpụkpọ ụkwụ gị, n'ihi na ebe ị na-eguzo bụ ala dị nsọ.”



Chineke wee si, “Mu onwe m ga-eziga gị jekuru Fero ime ka ndị m si n'Ijipt pụta.” Ma egwu tụrụ Mosis ịga.



Chineke wee gosi Mosis ike ukwuu
Ya.  O mere mkpanaka Mosis
ka ọ ghọọ agwọ.



Mgbe Mosis buliri agwọ ahụ n’ọdụ,
ọ ghọkwara mkpara ọzọ.
Chineke nyere ya ihe
ịrịba ama ọzọ.



“Tinye aka gị n’obi,” ka o nyere ya n’iwu.  Mosis wee mee otú ahụ. Aka-ya ghọkwara aka ekpenta.



Mgbe o mere ya ọzọ, aka ya wee dikwa ọcha.



Mosis ka jụrụ ịga. “Anaghị m ekwu nke ọma,” ka ọ gwara Chineke. Chineke were iwe. Ọ si, “M ga-ejikwa Eron, bụ nwanne gị, kwue okwu niile nke ị ga-agwa ya.”



Mosis wee laghachikuru Jetro, chịkọta ihe ya, pụa jee Ijipt.



Chineke duuru Erọn nwanne Mosis izute Mosis n’ugwu. Mosis gwara Erọn ihe niile gbasara atụmatụ Chineke ime ka ndị Hibru nwere onwe ha n’aka ndị Ijipt.  Ha gbakọrọ aka wegara ndị ndú Hibru ozi ahụ. Mgbe Mosis gosiri ndị okenye Hibru ihe ịrịba ama ndị ahụ, ha ma na Chineke ga-enyere ha aka.  N’otu, ha kpọrọ isiala wee fee Chineke ofufe.



N’atụghị egwu, Mosis na Erọn gakwuuru Fero. “Chineke sịrị, ‘Hapụ ndị m ka ha laa’,” ka ha gwara ya.



Fero wee zaa, sị, “M gaghị ahapụ Izrel ka ha laa.” Ọ gaghị erubere Chineke isi. Chineke ga-eji nnukwu ike ya gbanwee obi Fero.



Nwa-eze aghọrọla onye ọzụzụ-atụrụ

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Ọpụpụ Isi nke abụọ rue isi nke ise

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.